# MMIRI, MANNA, NA NNỤNỤ

## Ọpupu 15:22-27; 16:1-36

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 58 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Menu ihe nile nējigh ntamù na iru-ukà ọ bula" (Ndi Filipai 2:14).**

**Mmeri Échèfuru Ngwangwa**

Ụmụ Israel site n'ike Jehova emeriwo ndị Ijipt bụ́ ndị chụsoro ha rue Osimiri Uhie, mmeri dị ebube. Ịnyịnya niile na ndị nọ n'elu ha ka emikpuru emikpu, ndị Isarel n'onweha pụrụ iji anya ha hụ otú o si bụrụ ihe dị ukwuu bụ́ mmeri ahụ emeriri ndị náadịghị asọpụrụ Chineke. Ndị Israel nwere óké ememe nke ncheta mmeri a. wee bụ̀ kwa abụ̀ nke ha ji náetò Onyemgbapụta ha. Ma lee otú ha si chefue ịdịmma Ya ngwangwa!

Náánị ụbọchị atọ gabigara mgbe ha bụsịrị abụ̀ nke Moses. "Ònye dika Gi n'etiti chi nile, JEHOVA? ... di ebube n'idi-nsọ, Onye anātu egwù n'otuto nile, nēme ihe-ebube di iche iche … N'ebere-Gi ka I duworo ndi nke I gbaputaworo: N'ike-Gi ka I duworo ha nwayọ rue ebe-obibi-Gi di nsọ," ha wee daa kwa mbà n'obi ọzọ. Ọ̀ bụghị ugbu a ka ha bụsịrị abụ̀ na Chineke edupụtawo ha wee meere ha ihe dị ebube? Gịnị mere ha apụghị ikwee na Ọ ga náemere ha ihe dị ebube mgbe ọ bụla? Náánị n'ihi na mmiri ha bịaruru na ya adịghị mma ọñụñụ, ha wee chee na ha gaje ịnwụ n'ihi agụụ mmiri. Anyị naeche na ha dị nzuzu n'ezie náatụkwasịghị Chineke obi; ma ugbò òle ka ihe dị otú a naeme anyị. Chineke gaezokwasị anyị ngọzi dị ukwuu, anyị ewee chee na ọ dịghị mgbe anyị gaenwe obi abụọ banyere Ya ọzọ. Ma ọ bụrụ na anyị akpachapụghị anya ịmụ Okwu Chineke kpee kwa ekpere nke ukwuu, anyị gaahụ́ na mgbe náadịghị anya na ịdaṁbà ntakịrị gaabịa, ngwangwa anyị gaamalite náele nsogbu anyị anya kama ịtụkwasị Chineke obi.

**Ihe Nlereanya Anyị**

Akụkọ Ụmụ Israel ịghọ mba site n'ogologo ọnwụnwa na ahụhụ na ịdaṁbà ka enyere anyị na Baịbụl dịka ihe nlereanya nke ihe náeme mgbe mmadụ wepụrụ anya ha n'ebe Jisọs nọ wee náele nsogbu ha niile. Anyị gaahụ́ ka anyị naagbaso akụkọ ha, na mgbe ọ bụla ha biri ndụ ime ihe náatọ Chineke ụtọ na Ọ naeme ka ihe gara ha nkeọma wee nye kwa ha mmeri n'ebe ndịiro nọ; ma mgbe ha biri ndụ ha ime otú o si masị ha, fee kwa chị ọzọ niile òfùfè, mmekpaarụ dị egwù, ndọrọ n'agha, ọbụná ọnwụ naabịakwasị ha.

**Nlekọta Chineke**

Ọ bụ nnọọ nsogbu n'ezie, mgbe akpịrị mmiri naakpọ ihe dị ka nde mmadụ atọ nkụ ma ọ dịghị mmiri dị mma ọñụñụ; ma anyị gụrụ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke ikpàazụ̀ na Chineke sịrị: "Unu atula egwù, guzonu onwe-unu n'ebe a, hu nzọputa JEHOVA." Ugbu a Chineke naagwa Moses ka o gbutue osisi tụba kwa ya nime mmiri ahụ nke na eluilu, na agaeme ka ọ dị ụtọ. Ọ naghị adịrị Chineke ike ime ihe ahụ niile nke dịka ha dịkarịrị anyị ukwuu. Ha bụrụ Ya náánị ihe ntakịrị. Ọ chọrọ ka anyị onweanyị kwa náele ihe ndị ahụ anya dịka ihe dị ntakịrị wee rapụ Ya ka O meere anyị ha. Ọ gwawo anyị ka anyị tụkwasị Ya nchegbu anyị niile n'ihi na ihe niile banyere anyị naemetụ Ya n'obi (I Pita 5:7).

**Ọgwụgwọ Nsọ**

Mgbe ndị ahụ ñụjuru mmiri afọ obi dị ha mma nwa oge. Ọ bụ n'ebe a ka Chineke kwere ha mkwà na ọ bụrụ na ha gaasọpụrụ Okwu Ya wee náebiri Ya ndụ, na Ya agaghị ekwe ka ọrịa ọ bụla nke ndị Ijipt bịakwasị ha. Ọ gwara ha sị, "Mu onwem bu JEHOVA Nke nēme ka aru di gi nma." Ọ naekwu kwa otù ihe ahụ taa. Ọ bụrụ na anyị naadị ndụ ime ihe náatọ Jisọs utọ, náánị ihe anyị gaeme bụ̀ ịkpọku Ya mgbe arụ náadịghị anyị ike, Ọ gaagwọ kwa anyị. Ọ bụghị ọtụtụ mmadụ taa naachọ itụkwasị Chineke obi ịgwọ arụ ha mgbe ha naarịaọrịa; ma otú ahụ ka ọ naewuta Chineke n'ebe ụmụ Ya nọ taa ma ha rapụ ịtụkwasị Ya obi dịka o si wute Ya n'ebe Ụmụ Israel nọ mgbe ha tamuru ntamù megide Ya.

Mgbe ndị Isrsel si n'Ijipt pụta ọ dịghị otù onye ike gwụrụ maọbụ nke náarịaọrịa n'etiti ha (Abù Ọma 105:37). Nke ahụ n'onweya bụ ọlụebube, n'ihi na ha alụsiworị ọlụ ike ọtụtụ arọ dịka ndịorù nke ndị Ijipt. Chineke gaedebewo harịị n'ezi arụ ịdịike ahụ n'ụzọ niile rue Kenean ma asị na ha emeghị mmehie megide Ya, ma anyị gaamụ banyere ajọ iheotiti ụfọdụ nke gburu ọtụtụ puku mmadụ nime ha mgbe ụfọdụ ha nụpụrụ Chineke isi. Ọ bụ ihe dị egwù ịjụ ịña ntị olu Chineke.

**Izuike**

Iliam bụ ebe maramma nke naenupụta ihe n'ọzara ahụ, n'ebe a ka Israel mara ụlọikwu ihe dị ka izu atọ, wee zue ike. Ọ dị ka ha nwere nri naezuru ha iri rue n'oge a ma mgbe ha buliri ijè site n'Iliam, ha malitere iche échìchè banyere ihe ha gaeri, wee malite ịtamùntamù megide Moses ọzọ. Ha kwesịrị échịchè ụzọ dị ebube Chineke siworo nye ha ihe niile ha chọrọ rue ugbu a, wee tụkwasị Ya obi karịa; ma ndị mmadụ naechefu ngọzi nke Chineke ngwangwa.

**N'ihi Náánị Otù Iheoriri**

O ruwo otù ọnwa site na mgbe ha rapụrụ Ijipt ebe eji ụtarị náapịakasị ha arụ, na ebe arụgidere ha ime karịa ka ha chere na ọ bụ ihe ha pụrụ ime. Nime náánị iri ubọchị atọ, ha echefuwo ndị obi ojọọ ahụ niile nke náanọgide ha

n’ọlụ, nááṇị́ ihe ha pụrụ icheta bụ itè nri, egusi (melon) na ayo (onion) nke ha naeri. Ha kwetara ịtufu olileanya banyere ihenketa n’ala Kenean n’ihi ihe ha gaeri ! Ha dị ka Iso onye rere ihenketa ya n’ihi nááṇị́ otù iheoriri.

Mgbe agụụ gụrụ Ụmụ Israel, ha tamuruntamù ọzọ megide Moses – Chineke wee nụ ha! Anyị gaakpachapụ anya ka anyị ghara ịtamùntamù megide nwa Chineke ọ bụla, nkekanke ndịozi Ya, n’ihi na mgbe anyị mere nke a ọ bụ Chineke ka anyị na atamùntamù megide.

**Chineke Nime Ogidi Ahụ**

Eron pụtara ịgwa ndị Israel na Chineke anụwo ntamù ha niile, na Ọ gaje izitere ha achịcha site n’Eluigwe. Mgbe ọ nọ naagwa ha okwu, ha niile wee lee anya n’ebe igweojii ahụ dị, bụ́ nke náaga n’iru ha mgbe niile ha nọ n’ijè, Chineke wee si n’Ogidi igweojii ahụ gwa ha okwu. Ọ sirị Moses gwa igwè mmadụ ahụ na Ya gaezitere ha anụufé ha gaeri na mgbe anyasị, na n’ụtụtụ ha gaenwe achịcha. Ọ gbalịsịrị ike ime ka ndị náekweghịekwe ghọta na Ya bụ Chineke nke Pụrụ ime ihe Niile. Nri ahụ bịara, dịka Chineke kwuru na ọ gaabịa.

**Manna**

Manna ahụ nke dara n’ala dị iche n’ebe ihe ọ bụla anyị naeri dị. Onye dere Abù Ọma kpọrọ ya “nri ndi mọ-ozi” (Abù Ọma 78:25). Mgbe igirigi ahụ gaarịgo, anaahụ́ ụmụ ntakịrị ihe dị ọcha dịka ákú, ihe dịka àbàchà (tapioca). Apụrụ isi ya esi, apụkwara igwé ya dịka anaegwe nri wee kpụọ ya dịka achịcha. Ọ naatọ dịka manụañụ, amaara nkeọma na ihe niile nke gaeme ka arụ dị ike dị nime ya, n’ihi na ọ bụ nri a ka ha riri iri arọ anọ. N’ụtụtụ ọ bụla mgbe igirigi rịgosịrị, ala naadị ọcha n’ihi manna, nke mere na ọ dịkwaghị mgbe agụụ gụrụ ndịa ọzọ.

Chineke sịrị na Ya gaanwa ndị Ya site n’inye ha nri a iji mata ma ha gaedebe Iwu Ya. Ma ọ dị ka ọ dị ụfọdụ náadịghị añā Ya ntị mgbe ọ bụla enyere ha ohere. Nke mbụ, Ọ gwara ha ka ha ghara ịchịkọta karịa ka ha pụrụ iri n’otù ụbọchị; ma ụfọdụ nwere anyaukwu, eleghịanya ha ekweghị na Chineke gaezitere ha ọzọ n’ụbọchị ọzọ, ya mere na ha chịkọtara ka ha pụrụ ịchịkọta. Ma ọ dịghị urù ọ baara ha. Manna ahụ mebiri wee gbaa ikpurù. Mgbe ụbọchị nke náebuteere Ụbọchịizuike ụzọ bịara, Chineke wee gwaa ha na ha gaachịkọta nke gaezuru ha ụbọchị abụọ n’ụbọchị ahụ, na ọ gaghị emebi. Ọzọkwa ụfọdụ mmadụ añaghị ntị wee pụọ n’ụbọchị izuike, n’ụtụtụ ịchịkọta, mgbe Chineke gwaworo ha ka ha ghara ịpụ -- ma ha ahụghị manna.

**Ụbọchị izuike**

Chineke sịrị na ọ bụ n’ihi mmadụ ka Ya mere ụbọchịizuike. Ọ maara na mmadụ apụghị ịlụ ọlụ mgbe niile wee dị ndụ arụ ịdịike. O nyere ya iwu izuike n’ụbọchị nke asaa ọ bụla. Mgbe emesịrị Chineke nyere iwu sị: “Cheta Ubọchi-izu-ike, ido ya nsọ” (Ọpupu 20:8). Ụbọchịizuike anyị taa bụ Ụbọchị Onyenweanyị, ụbọchị mbụ n’izù ụbọchị asaa, anyị gaecheta kwa idebe ya nsọ. Ụwa anyị a gaanọworị n’ọñụ karịa ma ọ bụrụ na onye ọ bụla naenye Chineke nsọpụrụ n’ụbọchị mbụ nke izù ụbọchị asaa!

Manna ahụ, ọ̀ bụghị nri pụrụ iche? N’iri arọ anọ manna nke naezuru onye ọ bụla naada kwa ụbọchị ma agụpụ Ụbọchịizuike, inye óké igwèmmadụ ahụ nri. Ihe ọzọ mere anyị ji mata na ọ bụ nri pụrụ ichè bụ na ewezugarị na apụghị idebe ya rue echi náemebighị (nááṇị́ ma agụpụ Ụbọchịizuike), Chineke gwara Moses ka o debe otù ite manna iji zi ọgbọ náabịa n’iru ihe debere ha ndụ nime njègharị ha niile n’ọzara nke a emebighị kwa.

**Manna Nke Anyị**

Okwu Chineke bụụrụ anyị manna; ọ bụ nri nye mkpụrụobi anyị. “Ọ bugh nánị́ achicha ka madu gēji di ndu, kama ọ bu okwu nile ọ bula nke nēsi n’ọnu Chineke puta” (Matiu 4:4). Anyị apụghị iguzu Baịbụl n’otù ụbọchị nke gaanọzuru anyị rue otù izù maọbụ otù ọnwa. Anyị aghaghị ịgụ Okwu Ya kwa ụbọchị, wee nweta “manna” ọhụụ n’ụtụtụ ọ bụla. Nke a gaeme ka anyị dị ike nime mmụọ, mee kwa ka anyị torue ịbụ NdịKraist dị ike.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ọ̀ bụ ogologo oge ra añaa ka ndị Israel nọrọ n’ọzara tupu ha atamue ntamù n’ihi enweghị mmiri? Ènweghị nri? Ònye ka ha naatamu ntamù megide?
2. Gịnị ka ha chọrọ ime?
3. Gịnị mere ogidi igwèojii ahụ ji bụrụ ihe dị mkpà nye ha? Nye ụzọ ihe atọ.
4. Ụdị nri dị añaa ka Chineke zitere? Rue oge ra añaa?
5. Òlee otú Chineke si site ná nri ahụ nwapụta ndị ahụ?
6. Gịnị bụ manna nke anyị?